# MMIRI NKE SITERE NA NKUME; MMERI **EMERIRI AMALEK**

## Ọpupu 17:1-16

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 59 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ha nile ñu-kwa-ra otù ihe-ọñuñu ahu nke mọ: n'ihi na ha nāñu miri nke si na nkume nke mọ nke soro ha: nkume ahu bu kwa Kraist" (I Ndi Kọrint 10:4).**

**I Iseokwu nke Ụmụ Israel**

1. Nzọụkwụ ọzọ n'ijè nke Ụmụ Israel webatara ha na Refidim n'ebe dị Ugwu Sainai nso, Ọpupu 17:1
2. Ụkọ mmiri mere ka ha tamue ntamù megide Moses, Ọpupu 17:1-3; 15:25
3. Ebe Chineke kweworo mkwà igọzi Israel, Moses chetaara ha na ntamù ha naemegide Chineke, Ọpupu 17:2; 16:8; I Ndi Kọrint 10:13; I Ndi Eze 8:56
4. Moses kpere ekpere maka inye aka na ndụmọdụ, Ọpupu 17:4; 15:25
5. Chineke gwara Moses ka o tie nkume ahụ ihe n'iru ndịokenye nke Israel, Ọpupu 17:5, 6; 15:25; Abù Ọma 62:1-8; 78:15-20; 105:41; Deuteronomi 32:3, 4, 18, 30, 31; I Samuel 2:2; I Ndi Kọrint 10:1-4; Jọn 7:37
6. Moses nyere ebe ahụ aha, Masa na Meriba (Ọnwụnwa na ịlụ ọ̀gụ̀ ) iji naechetara ndị Israel ọdịda ha, Ọpupu 17:7

**II Agha Ha na Ndị Amalek**

1. Ndị Amalek busoro usoro Israel ndị nọ naàzụ̀ n'usoro ha si náejéijè ha agha ọjọọ, Ọpupu 17:8; Deuteronomi 25:17, 18; Ọnu-ọgugu 24:20
2. Joshua, onyeagha nke Jehova na onyeozi nke Moses naedú ụ̀sụ̀ ndịagha jee agha, Ọpupu 17:9, 10; 24:13
3. Moses na Eron, na kwa Hua, bụ́ ndị inyeaka abụọ kwesịrị ntụkwasịobi, nọgidere n'ikpéré ndịagha nke Israel ekpere, Ọpupu 17:9, 10; 24:14
4. Ekpere Moses na inyeaka nke Eron na Hua naenye anyị ihemmụta dị mkpà banyere ekpere, Ọpupu 17:9-12
5. Emeriri Amalek n'agha ahụ n'ihi ikwesị ntụkwasịobi nke ndịisi Chineke doro, Ọpupu 17:12, 13
6. Enyere Moses iwu ka o depụta aghụghọ ọjọọ nke ndị Amalek n'akwụkwọ, Ọpupu 17:14; Deuteronomi 25:19; I Samuel 15:2, 3; 2 Samuel 1:1; I Ihe Emere 4:42, 43
7. Ekpughekwara Chineke ọzọ n'aha ahụ dị nsọ, bụ́ Jehova - nisi, Ọpupu 17:15, 16; 6:3; 15:26

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ntamù Kama Inwe Ntụkwasị obi**

N'ụtụtụ ọ bụla Ụmụ Israel naarapụ ụlọikwuu ha tupu anyanwụ awalie n'ịdị elu ya, chịkọta achịcha nke si n'eluigwe bịa nke Chineke zitara iji mee ka arụ dị ha ike. O teghị aka mgbe esi n'ụzọ dị ebube nye ha nnụnụ 'quail' maka nri ha nke mere na ọ bụghị ihe ha pụrụ ichefusiworị bụ́ otú Chineke siworo nye ha ihe niile ha chorọ. N'ịtamù ntamù megide Moses mgbe ha náenweghị mmiri ha gaañụ, ha mere ihe náéchéghị échìchè, naegosị enweghị obi ekele, na ekweghịekwe.

Ha mere ihe náéchèghị échìchè, n'ihi na Moses bụ náání onye nọchitere anya Chineke o sokwa náeketa òkè nime nsogbu ha niile. Ha enweghị obi ekele ebe ọ bụ na Moses, site ná mmalite, naeme ihe niile ọ pụrụ ime n'ihi ọ dị mma ha -- ọ bụghị inweta urù ọ bụla nke onweya maọbụ inye onweya otuto, kama náání n'ihi ọ dị mma ha. Ha ekweghịekwe, n'ihi na ha pụrụ ichéworị échìchè na Moses gaarịọrọ ha arịrịọ banyere ihe gbasara mkpà ha niile.

**Ọ̀ bụ Chineke Ka ọ̀ bụ Moses Napụtara Israel?**

Ma ntamù ha, n'eziokwu, abụghị megide Moses. Ọ bụ́ megide Chineke, Onyennápụta ha site n'Ijipt, Onye bụ kwa Onye ndú ha, Onyemkpuchi ha, na Onye náenye ha ihe niile dị ha mkpà rue ugbu a. Moses agwaworị Ụmụ Israel na ntamù ha naemegide Chineke, náagbanyeghị onyeọzọ nke ha chèrè ntamù ha iru imegide. Ahụrụ ekweghịekwe nime ntamù niile ndia, bụ́ nke ha náagaghị amaworị na ọ dị nime ha, n'ihi na ọ batara n'obi ha n'ụzọ dị nwayọ. "Ọ̀ bu kwa n'ihi gini ka i meworo ka ayi si n'Ijipt rigota?" nke ha gwara Moses, naegosi na ha ekweghị na ọ bụ Chineke napụtara ha, kama na ọ bụ náání àtụ̀màátụ̀ na nchepụta nke onyendú ha, nwere obi umeala. Ichemiuche ntakịrị gaagwa harịị na nnapụta ha, bụ ihe mmadụ náapụghị ime, na ọ bụ náání site n'ogweaka dị ike nke Chineke. Asị na ọ bụ àtụ̀màátụ̀ nke onyeisi obodo ha tụpụtara, agaenweworị mkwadobe maka oge mkpà dị otú a.

**"Okwukwe Ka O Ji Rapụ Ijipt"**

Moses ebiwo n'ọzara iri arọ anọ (40), n'ihi nke a ọ maara nnọọ nkeọma ihe chèrè ha iru. Ọ maara na ewezuga ọlụebube, ọ gaabụ ihe náagaghị ekwe omume bụ́ ịzụ̀ igwèmmadụ ra otú a n'ọzara nke ihe náadịghị. Ma o kweere n'obi ya ịga n'iru dịka iwu Chineke nyere si dị, náagbanyeghị nsogbu ahụ niile nke o maara na ha dị n'iru, bụ́ nke zipụtara ịdị ukwuu nke okwukwe ya. Abraham rapụrụ ala ebe amụrụ ya, wee pụọ náamaghị ebe ọ naejé, ma Moses rapụrụ, mara kwa ihe dị n'iru na ihe gaadị ndị ahụ ọ naedú mkpà. Ma ihe ndị ahụ dị mkpà apụtaghị ìhè. Ụdị okwukwe dị otú a kwesịrị ịkpaliworị Ụmụ Israel ịtụkwasị Chineke ahụ obi bụ́ Onye náadịghị mgbe Ọ rapụworo ha.

Anyị ahụwo na mbụ, anyị gaahụ kwa ọtụtụ ugbò n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị dị n'iru, isiiyi ahụ, bụ́ ebe okwukwe, ịdịike, na ntachịobi nke Moses si abịa: mgbe ọ bụla nsogbu chéré ya iru o "tikue JEHOVA." Anyị gaahụ́ kwa na ọ dịghị mgbe Chineke rapụrụ ya; n'ihi na mgbe niile ọ bụla Moses rịọọrọ Ụmụ Israel arịrịọ, Chineke napụtara ha! Nke ugbu a adịghị kwa ichè. Chineke nyere Moses iwu, Moses wee rubeisi. Ya na ndịokenye Israel wee yikọọ jee n'otù óké nkume wee jiri mkpàn'aka ya tie ya ihe ngwangwa mmiri wee si n'óké nkume ahụ sụpụta.

**Kraist Óké Nkume Anyị**

Óké nkume a bụ ụdị Onyenweanyị na Onyenzọpụta anyị n'ụzọ pụtara ìhè. Jisọs bịara ịnapụta anyị n'ọnwụ nke anyị náaghaghị ịnwụ, kama ọ dị mkpà na agaebu ụzọ tie Ya ihe otiti tupu enye anyị ndụ ebighịebi ahụ. Mmiri naegosi ụdị nri nke mmụọ na ngọzị niile nke Oziọma ahụ niile náenye obi ụtọ na afọ ojuju. N'ebe ọgụgụ dị icheiche ọ naegosipụta ụdị ngọzi dị icheiche nke nzọpụta (Aisaia 55:1; Jọn 4:14). Na I Ndi Kọrint 10:4, Onyeozi ahụ naagwa anyị na enyere Ụmụ Israel nke Testament Ochie ụdị nzọpụta ahụ nke anyị onweanyị naanata, n'ihi na "nkume ahu bu kwa Kraist."

Akụkọ ụwa naakọrọ anyị banyere nnapụta dị icheiche nke Chineke napụtara ndị ahụ kpọkuru Ya na mgbe nsogbu. Ná Agha Obodo ahụ alụrụ mgbe etinyere ọtụtụ òtù ndị agha anwụdere n'agha n'otù ebe ndịagha agbachiriagbachi na anọ ná  Andersonville, nke dị na Georgia, Chineke lụrụ ọlụebube nke zọpụtara ndụ ọtụtụ ndịkom ahụ nọ n'óké ahụhụ. Ndịmkpọrọ agha a nọ náenweghị mmiri ha gaañụ, ha wee náanwụ ngwangwa n'ihi akpịrị ịkpọnkụ, agụụ, ọrịa, na enweghị ebe mkpuchi. N'ọnọdụ dị otú a, ọtụtụ nime ha kpere ekpere maka inyeaka, Chineke wee zite óké mmiriozuzo nke ji ifufe bịa nke mere ka otù isiiyi mmiri malite ịsụpụta bụ́ nke náadị kwa rue taa, nke anaakpọ "Providence spring" (Isiiyi nke Chineke ji gboo mkpà).

**Ajọ Aghụghọ nke Ndị  Amalek**

Ndị mbụ Ụmụ Israel zutere bụ ndị Amalek (Ọnu-ọgugu 24:20). Ndịa si n'usoro ọ́mụ́mụ́ nke Amalek, otù nime ndịisi nke Elifaz, nwa nwoke Isọ, nwanne nwoke Jekob, n'ụzọ dị otú a ha bụ ndịikwú Ụmụ Israel (Jenesis 36:15, 16). Mmadụ gaechè na ha gaenyewororị Ụmụ Israel aka kama imegide ha n'ụzọ ọjọọ nke omume ihere a ha jiri megide ha.  Eleghịanya, ọ bụ egwù na ekworo mere ka ha mee otú a, ya na ịtụ egwù óké igwèmmadụ ra otú a n'ọzara, ha wee tinye ya n'obi ha na ha agaghị ekwe ka ha gabiga. Ha bu ụzọ malite ịchụ ntá nke imekpa ha arụ, n'ikpeazụ ha wee pụta ibuso ha agha bụ́ ùsù ndịagha nke Israel ahụ arọpụtara ọhụụ. Ma Amalek amaghị n'oge ahụ ebe ike Israel si abịa, ha amaghị kwa na imegide ndị nke Chineke rọpụtara gaapụta imeri ha onweha kpamkpam.

**Joshua Onyeozi nke Moses**

N'ebe a, na mgbe nsogbu, ewepụtara onye ọhụụ, Joshua, dịka amaara nkeọma, ọbụghị onye ọhụụ n'ebe Ụmụ Israel nọ; n'ihi na anaekwu banyere ya na ọ nọ n'ọnọdụ dị mkpà n'ebe onyendú ha bụ́ Moses nọ. Site n'usoro nke iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị, anyị naahụ́ na Chineke akawo ya akàrà ịbụ onye gaanọchị Moses. Agwara ya ugbu a ka ọ rọpụta ndịagha jee luso ndị Amalek ọ̀gụ̀. Anyị matakwara site n'akụkọ nke arọ̀ niile ha nọrọ n'ọzara na ọ bụ nwoke nwere okwukwe. Ọ gaabụwokwarị onye pụrụ ịkpalite ume na ikwesị ntụkwasịobi nime ndịọzọ.

Ụfọdụ naatụ̀ Joshua aka dịka ụdị Jisọs, n'ihi na Joshua buru agha ma meri kwa ndịiro nke ndị ahụ o dubara n'Ala ahụ ekwere ná Mkwà. Aha ya pụtara **onyenzọpụta,** atụgharịkwara ya "**Jisọs"** (Ọlu Ndi-ozi 7:45).

Israel nwere mmeri n'ihi obiike nke Joshua nwere, bụ́ nke ekpere Moses kwagidere. Moses jere n'elu ugwu, ya na mmadụ abụọ nime ndị ya kwesịrị ntụkwasịobi bụ Eron na Hua, n'ebe ahụ ka o weliri mkpan'aka Chineke tụgide Eluigwe, n'ekpere. Ka ọ naanọgide n'ekpere, Ụmụ Israel naemeri, ma mgbe aka ya dị arọ wee daa site náadịghịike nke anụarụ ndị Amalek na emeri. Inweume (maọbụ ịdịike) na mgbe nsogbu na ọnwụnwa bụ ihe kwesịrị otuto, ma inweume náání ezughị. Na mgbe ahụ anyị aghaghị ịchọ inyeaka nke Ike ahụ dị ukwuu karịa nke  anyị onweanyị, bụ́ nke anaenweta site n'ekpere.

**Mkpughe Chineke nke Dị  Ukwuu Karị a**

"Nkpa-n'aka Chineke" (Ọpupu 17:9) bụ ihe anaahụ́ anya eji wetara Israel inyeaka na obiike n'oge a. Aha Hibru atụgharịrị **Chineke** n'ebe a bụ aha náegosi ike Chineke n'òkìkè, inweike niile, na ịchịisi niile -- aha ọra ji amara Chineke. Eji ya gosi mmekọrịta Ya na ndị mba niile ọzọ nọ, dịka ọ dị kwa iche site na **Jehova** (**ONYENWEANYỊ),** bụ́ nke anaeji ngosi mmekọrịta Ya na Ụmụ Israel. Anyị ahụwokwarị na ịdịóké mkpà dị ná nrọpụta nke Mmụọ Nsọ rọpụtara aha a niile nke Chineke, na ha naenwe kwa ihe dị omimi eji ha egosi n'ihe nke mmụọ.

N'ọhịa ahụ nke náereọkụ, Chineke mere ka Moses mata Ya dịka  **Jehova**; n'Osimiri Uhie dịka **Jehova, ike m;** na Mara, **Jehova náagwọọrị a**. Ugbu a, na Refidim, Chineke naegosi ụdị ọzọ nke omume Ya na ịdị ukwuu Ya. Mgbe enwere mmerị ahụ, Moses wuru ebe ịchụàjà, n'ebe ahụ kwa ka Chineke gosịrị Onweya dịka **Jehova-nisi**, nke anaatụgharị **JEHOVA**, **ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀m.** Ọ bụ Ya bụ Onyeisi agha, Onye anyị naeso, bụrụ kwa Onyendú nke ùsù ndịagha nke anyị tinyeworo aha anyị nime ya!

Anyị naesi n'ọnwụnwa na nsogbu ọ bụla anyị si pụta nwee mnawapụta ọhụụ nke dị kwa omimi banyere ihe Chineke bụụrụ anyị, na ihe Ọ pụrụ imere anyị. Nsogbu ọ bụla naeweta anyị nso Chineke karịa, ma ọ bụrụ na anyị ejekuru Chineke n'ụzọ ziriezi na mgbe nsogbu ahụ. Mgbe niile ọ bụla anyị natara mkpughe dị omimi karịa banyere

Chineke ahụ anyị hụrụ n’anya, anaenwe olileanya karịa, na anyị gaeji obi anyị niile naerubere Ya isi. Ọlụ nrubeisi ọ bụla naeweta ntụkwasị nke ọtụtụ ụgwọọlụ ya rue ebighịebi. N’ihi nke a, anyị naahụ́ na ndị ahụ anapụtaworo site n’ọnwụnwa ọtụtụ ugbò, naama Chineke karịa; n’ihi na ha maara Ya karịsịa, ana enwe olileanya na ha gaefè Ya òfùfè karịsịa.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ aha ebe ahụ Ụmụ Israel mara ụlọikwuu ha n’oge a?
2. Gịnị bụ mkpà nke anụarụ ha nwere n’ebe a?
3. Òlee omume ha mere banyere mkpà ahụ?
4. Òlee ihe anyị pụrụ ịmụta, banyee ndịozi na ndịisi anyị, site n’omume Israel mere n’ebe a?
5. Gịnị bụ ihe ahụ kwesịrị otuto Moses mere?
6. Gịnị mere Moses ji kpọọ aha ebe ahụ ha mara ụlọikwuu Masa, na Meriba?
7. Òlee otú ndị Amalek na Ụmụ Israel si metụta n’usoro ọ̀mụ́mụ́?
8. Ànyị gana eleanya mgbe niile na ndị ụmụnne anyị na ụmụnna anyị gaeji obi ha niile kwagide anyị n’ihe gbasara Chinke?
9. Òlee ọlụ Eron na Hua lụrụ n’agha ahụ megide ndị Amalek?
10. Gịnị bụ mkpughe dị ukwuu karịa nke Chineke kpughere banyere Onweya n’oge?